

IG

# Ụmụaka na arịọ maka mkpuchido mba ofesi

Ozi maka ụmụaka na enweghị ndị ndu, ndị na etinye akwụkwọ maka mkpuchido mba ofesi na nchuso nke edemede 4 nke Usoro (EU) Akara 604/2013

Anyị enyerela gị mpempe akwụkwọ a n'ihi i gosiri mkpa maka mkpuchido, ị gwakwara anyị na i rughi afọ 18. Ọ bụrụ na i rughi afọ 18, a ga-ahụta gị nwata. Ị ga-anụkwa ndị ikikere rụtụ gị aka ka 'ntakịrị nwa', nke pụtara otu ihe ka nwata. 'Ndị ikikere' bụ ndị mmadụ na ahụta maka ịme mkpebi na ebubo gị maka mkpuchido.

**Ọ bụrụ na ị chọrọ mkpuchido ebe a n'ihi ụjọ na atụ gị n'obodo gị, anyị na akpọ nke a 'ịchọ ịze ndụ'. Ịze ndụ bụ ebe na enye mkpuchido na nchedo.**

Mgbe i tinyere akwụkwọ maka arịrịọ n'aka ndị ikikere na arịọ maka ịze ndụ, iwu na akpọ nke a 'akwụkwọ anamachọihe ma ọ bụ arịrịọ maka mkpuchido mba ofesi'. Onye na arịọ maka mkpuchido bụ 'onye anamachoihe'. Oge ụfọdụ ị ga-anụkwa ndị mmadụ na akpọ gị 'onye nchọnchọ ize ndụ'.

Nne na nna gị kwesịrị iso gị, mana ọ bụrụ na ha esoghi ma ọ bụ ọ bụrụ na gị na ha ekewara n'ụzọ, ị bụ **ntakịrị nwa na enweghị onye ndu**.

N'okwu nke a, anyị ga-enye gị 'onye nnọchite', bụ okenye nke ga-enyere gị aka n'omume nke ụkpụrụ ahụ. Ọ ga-enyere gị aka na akwụkwọ anamachọihe gị, ọ nwekwara ike iso gị mgbe ị ga-agwa ndị ikikere okwu. Ị nwere ike ịgwa onye nnọchite gị okwu maka nsogbu na ụjọ gị. Onye nnọchite gị nọ ebe ahụ iji hụ na mmasị gị kachasị bụ ihe izizi na ntụle, nke a pụtara na mkpa gị, nchedo, ịdịmma, ntolite n'ọhaneze yana echiche gị bụ ihe ndị etinyere n'uche. Onye nnọchite gị ga-etinyekwa n'uche maka omume njikọtagharị ezinụlọ**.**

**Mpempe akwụkwọ dị ugbu a bụ maka naanị ebumnuche izi ozi. Ebumnuche ya bụ ịnye ndị anamachọihe maka mkpuchido mba ofesi site na iji ozi dị mkpa na nsọpụrụ nke Ụkpụrụ Dublin. Ọ naghị emepụta/tụkwasa onwe ya ikike ma ọ bụ mmanye iwu. Ikike na mmanye nke Steeti na mmadụ nọ n'okpuru ụkpụrụ Dublin dị n'ụdị atọrọ na Usoro (EU) 604/2013.**

**©European Union 2014**
**Enyere ikike maka mmepụtagharị. Maka ojiji ma ọ bụ mmepụtagharị ọ bụla nke foto, a ga-achọrịrị ikikere ozugbo n'aka ndị ji nwebisinka.**




*Obodo ndị Dublin gụnyere obodo European Union 28 (Austria (AT), Belgium (BE), Bulgaria (BG), Croatia (HR), Cyprus (CY), Czech Republic (CZ), Denmark (DK), Estonia (ET), Finland (FI), France (FR), Germany (DE), Greece (EL), Hungary (HU), Ireland (IE), Italy (IT), Latvia (LV), Lithuania (LT), Luxembourg (LU), Malta (MT), Netherlands (NL), Poland (PL), Portugal (PT), Romania (RO), Slovakia (SK), Slovenia (SI), Spain (ES), Sweden (SE), United Kingdom (UK)) yanakwa obodo 4 "ejikọtara" na Usoro Dublin (Norway (NO), Iceland (IS), Switzerland (CH) na Liechtenstein (LI)).*



©European Union

## Ọ BỤRỤ NA ENWERE IHE Ị GHỌTAGHỊ, JỤỌ ONYE NNỌCHITE GỊ MA Ọ BỤ NDỊ IKIKERE ANYỊ IJI NYERE GỊ AKA!

Agbanyeghị na ị rịọrọ ịze ndụ n’obodo a, ọ nwere ike ịbụ obodo ọzọ ga-enyocha arịrịọ gị maka mkpuchido.

Naanị otu obodo nwere ike ịhụta maka ntụle arịrịọ gị maka mkpuchido. Ezubere nke a n’iwu akpọrọ **’Usoro Dublin’** Iwu a chọrọ ka anyị mara na ọ bụ ọrụ anyị inyocha akwụkwọ anamachọihe gị ka ọ bụ ọrụ obodo ọzọ - anyị na akpọ nke a ‘ụkpụrụ Dublin’.

A na etinye iwu a n'ofe mpaghara ala niile nke gụnyere obodo 32[1]. Maka ebumnuche nke mpempe akwụkwọ a, anyị na akpọ obodo 32 ndị a 'obodo ndị Dublin'.

Agbafuna n'aka ndị ikikere ma ọ bụ gaa na obodo Dublin ọzọ. Ụfọdụ ndị mmadụ ga-agwa gị na ọ bụ ihe kachasị mma ị ga-eme. Ọ bụrụ na mmadụ gwa gị gbafuo, ma ọ bụ gị soro ha gbafuo, gwa onye nnọchite gị ma ọ bụ ndị ikikere steeti ozugbo.

Biko gwa ndị ikikere steeti ozugbo enwere ike ma ọ bụrụ na**:**

- *Ị nọ nkịtị, ị chere na nne, nna, nwanne nwoke ma ọ bụ nwanne nwoke, nwanne nwanyị nne ma ọ bụ nna[2], nwanne nwoke nne ma ọ bụ nna[3], nne ochie ma ọ bụ nna ochie nwere ike ịnọ n'otu obodo 32 ndị Dublin na maapụ ahụ na i.3;*
- *Ọ bụrụ otu ahụ, ma ị chọrọ ka ị chọghị ibinyere ha;*
- *Gị na onye ọzọ bịakọtara obodo a na, ọ bụrụ otu ahụ, gị na onye;*
- *Ị gaala na n'otu 'obodo ndị Dublin' 32 edepụtara;*
- *Ewerele mbisa mkpịsị aka gị n'obodo Dublin ọzọ: a na ewere mbisa mkpịsị aka na mkpịsị aka gị na enyere aka ịkọwa gị;*
- *I tinyela akwụkwọ maka ịze ndụ n'obodo Dublin dị iche.*

## Ọ DỊ OKE MKPA NA GỊ NA NDỊ IKIKERE STEETI RỤKỌTA ỌRỤ, Ị GA-AGWA HA EZIOKWU OGE NIILE.

Sistemụ Dublin nwere ike ịnyere gị aka ma ọ bụrụ na ịnweghị nne ma ọ bụ nna du gị mgbe i tinyere akwụkwọ maka mkpuchido.

Ọ bụrụ na ị nwere ozi zuru oke maka ha, anyị ga-achọ nne na nna ma ọ bụ ụmụnne gị n'obodo ndị Dublin. Ọ bụrụ na anyị chọtanwuo ha, anyị ga-anwa ikpokọta unu ọnụ n'obodo ebe nne ma ọ bụ nna gị ma ọ bụ ụmụnne gị nọ. Ọ bụ ọrụ obodo ahụ mgbe ahụ inyocha arịrịọ gị maka mkpuchido.

---

1) Na ibe 3 ị nwere maapụ nke mpaghara a.
2) Nwanne nwanyị nne gị ma ọ bụ nwanne nwanyị nna gị
3) Nwanne nwoke nne gị ma ọ bụ nwanne nwoke nna gị

Ọ bụrụ na ịnọ nkịtị, ịnweghị ezinụlọ ma ọ bụ ụmụnne ọ bụla n'obodo Dublin ọzọ, enwere ike na a ga-enyocha akwụkwọ anamachọihe gị n'obodo a.

Anyị nwekwara ike ịhọrọ inyocha akwụkwọ anamachọihe gị n'obodo a, ọbụlagodi n'okpuru iwu ọ bụ ọrụ obodo ọzọ. Anyị nwere ike ịme nke ahụ maka ebumnuche ọsọndụ, ezinụlọ ma ọ bụ omenala.

N'oge ụkpụrụ, **anyị ga-agbasị mbọ ike ịnyere gị aka**, anyị agaghị eziga gị n'obodo ebe ama ga-agabiga iwu dịịrị gị.

Kedu ihe ọ pụtara na anyị ga-arụ ọrụ oge niile **iji nyere gị aka**? Ọ pụtara na anyị ga:

- elele ma enwere ike ikpokọta gị na ezinụlọ gị ọnụ n'otu obodo;
- hụ na ị nweghị mmekpa ahụ, karịchaa n'aka ndị mmadụ nwere ike ịchọ ịmekpa gị ahụ;
- hụ na i tolitere n'ụzọ dị mma, nwee ezigbo ahụike, na ị nwere nri na ebe obibi, yana izute mkpa ntolite mmekọrịta gị;
- buru echiche gị n'obi - dịka ọmụmaatụ, ma ị chọrọ ịnọnyere nwanne ka ọ bụ na ị gaghị achọ nke ahụ.




## Afọ gị

Mmadụ karịrị afọ 18 bụ “ndị okenye”. A na ahụta ha iche n’ebe ụmụaka na ndị ntorobịa nọ (“ntakịrị nwa”).

Biko kwuo eziokwu maka afọ gị.

Ọ bụrụ na ị nwere akwụkwọ ọ bụla na egosi afọ gị, gosi ya ndị ikikere. Ọ bụrụ na ndị ikikere jụọ afọ gị, enwere ike ịbụ na dọkịnta ga-achọ inyocha gị iji hụ ma pekarịrị ma ọ bụ tokarịrị afọ 18. Gị na/ma ọ bụ onye nnọchite gị ga-eburiri ụzọ kwenye na nke a tupu emee nyocha ahụike ọ bụla.

N'AHỊRỊ NDỊ A ANYỊ GA-ANWA ỊZA AJỤJỤ NDỊ A NA AJỤKARỊ Ị NWERE IKE ỊNWE MAKA ỤKPỤRỤ DUBLIN, OTU Ọ GA-ESI NYERE GỊ AKA YANA IHE Ị KWESỊRỊ ỊTỤ ANYA:

## Mbisa mkpịsị aka - Ihe ha bụ? Ihe kpatara eji eme ha?

Mgbe ị rịọrọ ịze ndụ, ọ bụrụ na ị dị afọ 14 ma ọ bụ karịa, a ga-ewere foto ma ọ bụ onyonyo nke mkpịsị aka gị (akpọrọ "mbisa mkpịsị aka" ma nyefee ya na ọdụ data mbisa mkpịsị aka akpọrọ "Eurodac". Ị ga-arụkọrịtarịrị ọrụ n'ụkpụrụ a - ekwesịrị iwere mbisa mkpịsị aka mmadụ niile na etinye akwụkwọ maka ịze ndụ n'okpuru iwu.

Enwere ike ịlele mbisa mkpịsị aka n'ofe oge iji hụ ma i tinyela akwụkwọ maka ịze ndụ tupu ma ọ bụ iji hụ ma eweburu mbisa mkpịsị aka gị n'oke ala obodo. Ọ bụrụ na achọpụta na i tinyeburu akwụkwọ maka ịze ndụ n'obodo Dublin ọzọ, enwere ike iziga gị n'obodo a ma ọ bụrụ na ọ dịrị gị mma ịga ebe ahụ. Mgbe ahụ ọ ga-abụ ọrụ obodo ahụ inyocha akwụkwọ anamachọihe gị maka mkpuchido mba ofesi.

A ga-echekwa mbisa mkpịsị aka ahụ ihe dị ka afọ 10. Agachaa afọ 10, a ga-ehichapụ ha na akpaghị aka n'ime ọdụ data. Ọ bụrụ na i tozuru na arịrịọ gị maka mkpuchido, mbisa mkpịsị aka ga-adịrị n'ọdụ data ruo mgbe ehichapụrụ ha na akpaghị aka. Ọ bụrụ na, emechaa, ị bụrụ onye amaala obodo Dublin, a ga-ehichapụ mbisa mkpịsị aka gị. A ga-echekwa naanị mbisa mkpịsị gị na okike gị n'ime Eurodac - anaghị eziga aha, foto, ụbọchị ọmụmụ na obodo gị n'ọdụ data ma ọ bụ chekwaa ha. Agbanyeghị, enwere ike ịchekwa nkọwa ndị a n'ọdụ data ala anyị. Agaghị ekekọrịta data echekwara n'ime Eurodac n'etiti obodo ma ọ bụ ụlọ ọrụ ọzọ ọ bụla nọ na mpụga obodo ndị Dublin.



Ebe 20 Julaị 2015, ndị ikikere nwere ike ịchọ mbisa mkpịsị aka gị dịka ndị uwe ojii yana ụlọ ọrụ ndị uwe ojii Europe (Europol) nwere ike ịchọ mbisa mkpịsị aka gị ma rịọ ohere ịnweta ọdụ data Eurodac maka ebumnuche igbochi, ịchọpụta na inyocha nnukwu mpụ na ihe egwu.



©European Union

## Kedu ozi ịkwesịrị ịme ka ndị ikikere steeti mara gbasara ọnọdụ gị?

Enwere ike ịjụ gị ajụjụ ọnụ (njụajụjụ nkeonwe) iji kpebie obodo ọ bụ ọrụ ha inyocha arịrịọ gị maka ịze ndụ. N’ajụjụ ọnụ a, ndị ikikere steeti anyị ga-akọwaara gị ‘ụkpụrụ Dublin’, ha ga-anwakwa ịchọpụta ma enwere ike ikpokọta gị na ezinụlọ gị ọnụ n’obodo Dublin ọzọ.

Ọ bụrụ na ị ma na nne na nna, nwanne ma ọ bụ ụmụnne gị no n’obodo Dublin, biko echefuna ịgwa onye na ajụ gị ajụjụ nke a. Nye ozi niile enwere ike iji nyere anyị aka ịchọta ezinụlọ gị - aha, adreesị, akara ekwentị, wdg.

N'oge ajụjụ ọnụ ahụ, enwekwara ike ịjụ ị gabuola obodo Dublin ndị ọzọ. Biko kwuo eziokwu.

Onye nnọchite gị nwere ike iso gị n'ajụjụ ọnụ a, iji nye gị enyemaka na nkwado, ma iji mee ihe kachasị dịịrị gị mma. Ọ bụrụ na enwere ihe ọ bụla ijighi chọọ ka onye nnọchite gị soro gị, gwa ndị ikikere steeti.

**NA MBIDO NKE AJỤJỤ ỌNỤ AHỤ, ONYE NA AJỤ AJỤJỤ NA ONYE NNỌCHITE GA-AKỌWAARA GỊ ỤKPỤRỤ YANA IKIKE GỊ. Ọ BỤRỤ NA ENWERE IHE Ị GHỌTAGHỊ, MA Ọ BỤ Ị NWERE AJỤJỤ NDỊ ỌZỌ, BIKO JỤỌ HA!**

Ajụjụ ọnụ ahụ bụ ikike gị, ọ bụ akụkụ dị mkpa maka akwụkwọ anamachọihe gị.

A ga-eme ajụjụ ọnụ ahụ n'asụsụ ị ghọtara. Ọ bụrụ na ị nweghị ike ịghọta asụsụ ejiri, ị nwere ike ịrịọ onye ọkọwa okwu iji nyere gị aka kwukọrịta okwu. Onye ọkọwa okwu ga-akọwarịrị naanị ihe gị na onye na ajụ ajụjụ na ekwu. Onye ọkọwa okwu ahụ agaghị etinye uche nke ya. Ọ bụrụ na ị nwere nhịahụ na ị ghọta onye nkọwa okwu ahụ, ị ga-agwarịrị anyị na/ma ọ bụ gwa onye nnọchite gị okwu.

Ajụjụ ọnụ ahụ ga-abụ ihe nzụzọ. Nke a pụtara na ọnweghị ozi ị nyere, gụnyere na i tinyela akwụkwọ maka ịze ndụ, a ga-eziga n'aka mmadụ ma ọ bụ ndị ikikere n'obodo gị nke nwere ike ibuteere gị mmekpa ahụ n'ụzọ ọ bụla, ma ọ bụ bute mmekpa ahụ n'ebe ndị otu ezinụlọ gị ndị ka nọ n'obodo gị no.

**Ọ DỊ MKPA NA GỊ NA ONYE NNỌCHITE GỊ MATARA MAKA OKE OGE NKE ỤKPỤRỤ DUBLIN!**

## Ogologo oge ole tupu ị mara na ị ga-aga obodo ọzọ ma ọ bụ na ị nwere ike ịnọ ebe a?

## Gịnị na eme ma ọ bụrụ na achọpụta na ọ bụ ọrụ obodo ọzọ inyocha akwụkwọ anamachọihe gị?

→ *Ọ bụrụ na nke a bụ akwụkwọ anamachọihe izizi gị n'obodo Dublin, a ga-eziga gị n'obodo ọzọ n'ihi nne, nna, nwanne nwoke, nwanne nwanyị, nwanne nwanyị nna ma ọ bụ nne, nna ochie ma ọ bụ nne ochie nọ n'obodo ahụ, ị ga-esonye ya/ha ebe ahụ ma nọkọrịta ọnụ maka nyocha nke akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị.*[4)]

→ *Ọ bụrụ na i tinyeghị akwụkwọ maka ịze ndụ ebe a mana i tinyere akwụkwọ maka ịze ndụ n'obodo Dublin ọzọ n'oge gara aga, enwere ike izighachi gị n'obodo ahụ ka ndị ikikere nọ ebe ahụ nwee ike ịtụle akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị.*[5)]

**Na ha abụọ, ọ nwere ike iwe ruo ọnwa ise iji mee mkpebi iji bufee gị na obodo ọzọ, enwere ike ibido n'oge ị rịọrọ ịze ndụ ma ọ bụ bido n'oge anyị mara na i tinyere akwụkwọ maka mkpuchido mba ofesi n'obodo Dublin ọzọ. Ndị ikikere ga-agwa gị maka mkpebi a ozugbo enwere ike ka emechara mkpebi ahụ.**

→ *Ọ bụrụ na ị rịọghị ịze ndụ n'obodo a, mana ajụrụ akwụkwọ anamachọihe ikpeazụ gị n'obodo ọzọ ka emechara nnyocha n'uju, anyị nwere ike ịgwa obodo ahụ iweghachi gị azụ, ma ọ bụ gaa n'ihu na iweghachite gị na obodo gị ma ọ bụ ebe obibi ma ọ bụ n'obodo nke atọ dị mma.*

Ọ bụrụ na anyị kpebie na obodo ọzọ na ahụta maka akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ, mgbe obodo ajụrụ ka ọ weghara ọrụ maka gị nabatara ịme nke ahụ, a ga-agwa gị na anyị agaghị enyocha arịrịọ gị maka mkpuchido mba ofesi kama anyị ga-ebufe gị n'obodo ọ bụ ọrụ ha.

---

**4) Ị nwere ike ịnụ ka ndị mmadụ na akpọ nke a 'weghara'.**
**5) Ị nwere ike ịnụ ka ndị mmadụ na akpọ nke a 'weghachi'.**

Mbufe gị ga-eme n’ime ọnwa isii bido n’oge obodo nke ọzọ ahụ nabatara ọrụ maka gị, ma ọ bụ nke mkpebi ikpeazụ na mkpegharị ma ọ bụ nyocha, ọ bụrụ na ị kwenyeghị ma kpebie ịgbaha mkpebi a (hụ ngalaba dị n’okpuru na akọwa ihe nke a pụtara!) Enwere ike ịdọtị oke oge a ka ọ bụrụ otu afọ ma ọ bụrụ na atụrụ gị n’ụlọ nga, ma ọ bụ ruo ọnwa 18 ma ọ bụrụ na ị gbafuo.




©iStockphoto / Joe Gough

## Gịnị na eme ma ọ bụrụ na ị chọghị ịga n'obodo ọzọ?

### GWA ONYE NNỌCHITE GỊ MAKA NKE A!

Ọ bụrụ na anyị kpebie na ịga aga n'obodo ọzọ ka enyochaa akwụkwọ anamachọihe gị ebe ahụ, ị jụ nke ahụ, ị nwere ike ịgbaha mkpebi mbufe. Anyị na akpọ nke a 'mkpegharị' ma ọ bụ 'nyocha'.

Mgbe ị nwetara mkpebi mbufe si n'aka ndị ikikere, ị nwere ụbọchị 21 iji tinye akwụkwọ mgbaha na Ụlọ Ikpe Nchịkwa. Ọ dị oke mkpa na ị nyefere arịrịọ mkpegharị n'oge egosiri. Onye nnọchite kwesịrị ịnyere gị aka na nke a.

- Ị nwere ụbọchị (7) asaa iji rịọ ka akwụsịtụ mbufe gị ka a na enyocha arịrịọ mkpegharị gị. Ụlọ ikpe ma ọ bụ otu ndị ọkaiwu ga-eme mkpebi na arịrịọ a n'oge adịghị anya. Ọ bụrụ na ọ jụ gị nkwụsịtụ ahụ, a ga-enye gị ihe kpatara nke ahụ.
- Azụ nke mpempe akwụkwọ a nwere ozi maka ndị ikikere a ga-akpọtụrụ iji rịọ mkpegharị maka mkpebi n'obodo a.

N'oge ụkpụrụ 'mkpegharị' a ga-enye gị ohere ịnweta enyemaka ọkaiwu na, ọ bụrụ na ọ dị mkpa, enyemaka ịsụ asụsụ sitere na onye ọkọwa okwu ma ọ bụ onye ntụgharị asụsụ. Ị nwere ike ịrịọ ịnwe enyemaka ọkaiwu n'efu ma ọ bụrụ na ị nweghị ego maka ya. Azụ nke mpempe akwụkwọ a nwere nkọwa mkpọtụrụ maka ụlọ ọrụ na weta enyemaka ọkaiwu, enwere ike ịnyere gị aka na mkpegharị gị.

## Njide

Ndị mmadụ amachiri ịme njem ebe ha masịrị, ndị etinyere n'ime ụlọ ekpuchiri na enweghị ike ịpụ ka akpọrọ "njide".

Ọ bụrụ na ịbụ ntakịrị nwa na enweghị onye ndu ị nwere ike ibi n'ebe obibi ebe enwere iwu ndị ga-ahụ na ị nọrọ n'ime n'abalị ma ọ bụ mgbe ọgbajiri ojii n'ilo ma ọ bụ iwu ndị pụtara na ị ga-agwa ndị mmadụ na elekọta gị anya na ị na apụ n'ilo yana mgbe ị na alaghachite. Iwu ndị a bụ iji kpuchido gị. Nke a apụtaghị na ị nọ n'ebe njide.

ANAGHỊ EJIDEKARỊ ỤMỤAKA!

**Ejidere gị? Ọ bụrụ na odoghi gị anya na ejidere gị biko jụọ ndị ikikere, onyw nnọchite gị ma ọ bụ onye ndụmọdụ iwu gị[6) ozugbo enwere ike. Ị nwere ike ịgwa ha okwu gbasara ọnọdụ gị yana ọ bụrụ na ejidere gị gbasara ikike iji gbahaa mkpebi njide ahụ!**

Enwere ihe egwu na ị ga-ahụ onwe gị na njide n'oge ụkpụrụ Dublin ahụ. Imirikiti oge, nke a na eme mgbe ndị ikikere steeti ndị ahụ ekwenyeghị na i rughi 18 ma nwee obi abụọ na ị nwere ike ịgbafu ma ọ bụ zonarị ha n'ihi ị nwere ụjọ na a ga-eziga gị na obodo ọzọ.

Ị nwere ikike iji zitere gị ozi n'ọdịde maka ihe ndị kpatara eji jide gị, yana maka otu ị ga-esi gbahaa ntimiwu njide ahụ. Ị nwekwara ikike nke enyemaka ọkaiwu ma ọ bụrụ na ị chọrọ ịgbaha ntimiwu njide ahụ, yabụ gwa onye nnọchite ma ọ bụ onye ndụmọdụ ọkaiwu gị okwu ma ọ bụrụ na obi adịghị gị mma.

Ọ bụrụ na ejidere gị n'oge ụkpụrụ Dublin, oke oge nke ụkpụrụ maka gị ga-abụ ihe ndị a: anyị ga-arịọ obodo ọzọ ịweghara ọrụ maka gị n'ime **otu**

---

**6) Onye ndị ikikere matara ka onye na anọchite mmasị gị n'ihu iwu. Onye nnọchite gị na/ma ọ bụ ndị ikikere ga-adụ gị ndụmọdụ ma ọ bụrụ na ị chọrọ otu, mana ị nwekwara ike ịrịọ ha iji duzie otu na nnọchite gị. Hụ azụ nke mpempe akwụkwọ a maka ụlọ ọrụ nwere ike ịnye gị nnọchite ọkaiwu.**

**ọnwa** nke nnyefe nke akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị. Obodo arịrịọ kwesịrị ịzaghachi n'ime **izu abụọ** ka emechara nke ahụ. N'ikpeazụ, ọ bụrụ na ị ka nọrọ na njide, ekwesịrị ịme mbufe gị n'ime **izu isii** nke nnabata nke arịrịọ n'aka obodo ọ bụ ọrụ ha.

Ọ bụrụ na i kpebie ịgbaha mkpebi nnyefe ahụ ka ị nọ na njide, ndị ikikere steeti enweghị ọrụ ọ bụla ibufe gị n'ime izu isii. Ndị ikikere steeti ga-agwa gị mgbe ahụ maka nhọrọ gị.

Ọ bụrụ na ndị ikikere steeti asọpụghị oge maka ịrịọ obodo ọzọ iji weghara ọrụ gị, ma ọ bụ ha emeghị mbufe gị n'oge, njide gị maka ebumnuche nke mbufe n'okpuru Usoro Dublin ga-akwụsị. N'ụdị ahụ, oke oge egosiri n'ibe 11 ga-adị.



©European Union



©European Union

## Gịnị bụ ikike gị n’oge nke anyị na ekpebi onye ịbụ ọrụ ya?

Ị nwere ikike ịnọrọ n’obodo a ma ọ bụrụ na ọ bụ ọrụ anyị inyocha arịrịọ ịze ndụ gị, ma ọ bụ, ebe ọ bụ ọrụ obodo ọzọ, ruo mgbe ebufetere gị ebe ahụ. Ọ bụrụ na ọ bụ ọrụ obodo ịnọ na ya ugbu a inyocha arịrịọ ịze ndụ gị, ị nwere ikike ịnọrọ ebe a opekata mpe ruo mgbe emere mkpebi izizi na akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị. I tozukwara maka elele nke ọnọdụ nnabata akụrụngwa, wdg. ebe obibi, nri wdg., yanakwa nlekọta ahụike yana enyemaka ahụike ihe mberede. I tozukwara ịga akwụkwọ.

A ga-enye gị ohere ịnye anyị ozi gbasara ọnọdụ gị yana ọnụnọ nke ndị otu ezinụlọ n’ime mpaghara nke obodo ndị Dublin n’okwu ọnụ na/ma ọ bụ n’ọdịde, mgbe a na eme nke ahụ, iji olu asụsụ ma ọ bụ asụsụ ọzọ ị na asụ nke ọma (ma ọ bụ ịnwe onye nkọwa okwu, ọ bụrụ na enwere mkpa ya). Ị ga-enweta nnomi nke mkpebi ahụ edere ede iji nyefee gị n’obodo ọzọ. Ị nwekwara ike ịkpọtụrụ anyị maka ozi ndị ọzọ na/ma ọ bụ iji kpọtụrụ ụlọ ọrụ nke United Nations High Commissioner for Refugees (UNHCR) n’obodo a.

**Onye nnọchite gị yana ndị ikikere steeti ga-akọwakwu maka ikike gị!**

## Gịnị ga-eme ozi gbasara gị ị nyere? Kedu otu ị ga-esi mara na agaghị eji ya n'ihe megidere iwu?

Ndị ikikere nke obodo ndị Dublin nwere ike ịgbanwe ozi ị na enye ha n'oge ụkpụrụ Dublin naanị iji mezuo ọrụ ha n'okpuru Usoro Dublin.

Ị ga-enwe ikike nke nnweta:

- Gbasara ozi metụtara gị. Ị nwere ikike iji rịọ ka agbanwee ụdịrị data ahụ ma ọ bụrụ na o zighi ezi, ma ọ bụ ka ehichapụ ya ma ọ bụrụ na ahaziri ya n'ụzọ megidere iwu;
- Maka ozi na akọwa otu esi arịọ ka edezie ma ọ bụ hichapụ data gị, gụnyere nkọwapụta mkpọtụrụ nke ndị ikikere akọwara ka ndị na ahụ maka ụkpụrụ Dublin gị, yana ndị ikikere mkpuchido data ala na ahụ maka ịnụ arịrịọ gbasara mkpuchido nke data nkeonwe.

## Ebe ị nwere ike ịgbaga maka enyemaka

**Nkọwapụta mkpọtụrụ nke ndị ikikere ịze ndụ**
Maahanmuuttovirasto (Ọrụ Mbata na Ọpụpụ nke Finland)
PL 18, 00581 Helsinki
+ 358 295 419 600
Akara ọrụ maka okwu a:
+ 358 295 419 627,
Tus–Tọs 10–11
www.migri.fi

**Onye nnọchite nke ntakịrị nwa na enweghị onye ndu**
Ụlọ ikpe ogige ga-ahọpụta onye nnọchite maka ntakịrị nwa na enweghị onye ndu na achọ ịze ndụ. Ama nnabata ga-enyefe akwụkwọ anamachọihe maka onye nnọchite n'aka ụlọ ikpe ogige.

**Mkpuchido nwa**
Achọrọ ka ama nnabata hazie ọrụ nlekọta ọhaneze maka nwata onye ọrụ nlekọta ọhaneze ekenyere okwu ahụ hụtara ka onye dị mkpa maka ahụike na ntolite ya. Ọ bụrụ na ị nwere ajụjụ, gwa onye ọrụ nlekọta ọhaneze nọ n'ama nnabata gị.

**Ndị ikikere na ahụta maka ụkpụrụ Dublin**
Mbata na Ọpụpụ Finland (Maahanmuuttovirasto)
Nkọwapụta mkpọtụrụ edepụtara n'okpuru.

**Nkọwapụta mkpọtụrụ nke Ndị Ikikere Nnyocha Ala (Mkpuchido Data)**
Tietosuojavaltuutetun toimisto (Ụlọ ọrụ nke Onye Nnọchite Mkpuchido Data)
PL 800, 00521 Helsinki
+ 358 295 666 700
Ọrụ ozi:
+358 295 616 670,
Mọn–Tọs 9–11 na 13–15,
Fri 9–12
tietosuoja@om.fi
www.tietosuoja.fi

**Njirimara nke onye njikwa Eurodac yana onye nnọchite ya**
Ebe mkpọtụrụ: Otu Ndị Uwe Ojii Ala (Poliisihallitus) yana Ọrụ Mbata na Ọpụpụ Finland (Maahanmuuttovirasto)

**Nkọwapụta mkpọtụrụ nke ụlọ ọrụ nke onye njikwa**
+ 358 295 480 181
Poliisihallitus (Otu Ndị Uwe Ojii Ala)

PL 22, 00521 Helsinki
kirjaamo.poliisihallitus@poliisi.fi

Maahanmuuttovirasto (Ọrụ
Mbata na Ọpụpụ nke Finland)
PL 18, 00581 Helsinki
+358 295 419 600
Akara ọrụ maka okwu a: +358 295
419 627, Tus–Tọs 10–11
www.migri.fi

Ọ bụrụ na ị chọrọ ịlele data metụtara gị nke edekọgoro n'ime sistemụ Eurodac, nyefee arịrịọ n'onwe gị n'ọdụ ndị uwe ojii. Kwado igosi ụfọdụ ihe akaebe nke njirimara. Anyị kwadoro na ị kpọtụrụ ebe ọrụ ndị uwe ojii nabatara akwụkwọ anamachọihe ịze ndụ gị. Ozi mkpọtụrụ maka ebe ọrụ ndị uwe ojii dị na weebụsaịtị Ndị Uwe Ojii na poliisi.fi.

**Suomen Punainen Risti (Finnish Red Cross)**
Tehtaankatu 1 a
00140 Helsinki
+358 20 701 2000
info@redcross.fi
www.redcross.fi

Ịchọ ndị otu ezinụlọ na efu.

**Ụlọ ọrụ enyemaka ọkaiwu na ụlọ ọrụ nkwado onye mgbabata ọsọndụ**
Ụlọ ọrụ enyemaka ọkaiwu na eweta enyemaka ọkaiwu yana ndị ụlọ ọrụ iwu na ndị ọkaiwu ndị ọzọ ndị gwagoro ama nnabata maka mwepụta obi ha ịnye ọrụ iwu maka ndị nchọncho ịze ndụ. Maka ozi ndị ọzọ gbasara enyemaka ọkaiwu, biko gwa onye ọrụ ama nnabata okwu.

**Nkọwapụta mkpọtụrụ nke Ụlọ Ọrụ Mba Ofesi maka Mbata na Ọpụpụ (IOM)**
IOM Helsinki
Unioninkatu 13, Ala nke 6
PL 851, 00101 Helsinki
+358 9 684 1150
iomhelsinkiavr@iom.int
www.iom.fi

Ọ bụrụ na ị nwere mmasị ịlaghachi na obodo gị n'aka onwe gị, rịọ ndụmọdụ na ama nnabata.

**Ụlọ ọrụ mpaghara kachasị nso nke United Nations High Commissioner for Refugees**
UNHCR
Ynglingagatan 14, 6 tr
SE-113 47 Stockholm
Sweden
Igwe ekwentị +46 8 457 48 80
swest@unhcr.org

1.9.2016 igbo

European Commission

MAAHANMUUTTOVIRASTO
MIGRATIONSVERKET
FINNISH IMMIGRATION SERVICE

POLIISI
POLISEN I FINLAND
Police of Finland

Rajavartiolaitos
Gränsbevakningsväsendet
The Finnish Border Guard